# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK, AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 15TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR A)

## SUNDAY, JULY 12, 2020

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **K'ANYI KPOO ISI ALA** |
| **OFFERTORY:** | **WETANU IHE ONYINYE…/OKAKA IMEKA** |
| **CONSECRATION:** | **AJA DI NSO** |
| **COMMUNION:** | **AGA M EJE N'ALTAR** |
| **POST COMMUNION:** | **O SACRAMENT MOST HOLY** |
| **DISMISSAL:** | **TIENU MKPU OŇU** |

## EKPERE MMEGHE

Chineke anyi, Ihe ezi okwu Gi na-egosi ndi na-agahie agahie uzo ha nwere ike iso loghachie na Kristi. Biko mee ka ndi otu Kristi nile ju ihe nile megidere okwukwe ha, kama ka ha sowe ihe dum kwesiri Ya. Anyi na-ario site n'Onyenweanyi Jesu Kristi.

**IHE OGUGU NKE MBU ISAIAH 55:10-11**

***Isi Okwu: Mmiri ozuzo na-eme ka ihe a kuru n'ala tolite***

Onyenweanyi kwuru si: Otu ahu mmiri ozuzo na aku mmiri igwe si esi n'igwe agbadata n'alaghachighi azu wee ruo mgbe o mere ka ala doro mmiri; ka o ghoo ala na-eme nri na-amitakwa mkpuru akuku, nke na-enye onye oru ugho mkpuru o ga-agha, biakwa nye ori nri ihe oriri. Otu ahukwa ka okwu si M n'onu puta na-adi. O naghi agba aka alaghachikwute M, n'ebughi uzo mezue ihe M choro, biakwa ruchaa oru ahu M zigara ya ka o ruo.

*Okwu nke Oseburuwa.*

*Ekele diri Chukwu.*

**ABUOMA NA AZIZA YA 64:10-14, Az: Luke 8:8**

***Aziza: Ufodu mkpuru dara n'ala oma mitara mkpuru mmaji kwuru mmaji***

1. I letala ala ahu biakwa husa ya mmiri. I meela ka o baa uba hie nne. Mmiri iyi nke Chineke juputara na mmiri. O bukwa Gi kwadoro nri oka. ***Aziza.***
2. Otu ahu kwa ka I si dozie ala ha. I mere ka mmiri juputa obu nile, biakwa mee ka mkpumkpu ala nile di larii. O bu Gi goziri ihe ala mitara. ***Aziza.***
3. I jiri ihe oma kpube afo okpueze. Okporo uzo Gi na-atasisi abuba. Ohia nta juputakwara n'abuba Gi. Onu ka ugwu jiri kwara uwe. ***Aziza***
4. Ohia yikwasara igwe aturu ka uwe. Oka kpuchiri ndagwurugwu nile. Ha na-eti mkpu onu na-ekwe ukwe. ***Aziza.***

**IHE OGUGU ABUO ROMANS 8:18-23**

***Isi Okwu: Ihe nile e kere eke ji oke aguu na-eche mgbe a ga-eme ka ndi bu umu Chineke puta ihe.***

N'ihi na echere m na ahuhu nke oge a erughi n'uzo o bula itunyere nnukwu ebube nke Chineke ga-ekpughere anyi. N'ihi na ihe nile ekere eke ji oke aguu na-echere mgbe a ga-eme ka ndi bu umu Chineke puta ihe. N'ihi na Chineke doro ihe nile e kere eke ka ihe efu. O bughi site n'ochicho nke ihe e kere eke, kama, n'ihi na Chineke choro ka o di otu ahu. Ma olile anya ya bu nke a: Na otu ubochi ihe nile e kere eke ga-enwere onwe ha, puo n'agbu nke ire ure, wee sonye n'inwere onwe ya ahu di ebube nke ga-adiri ndi bu umu Chineke. N'ihi na anyi ma na ruo ugbu a, ihe nile e kere eke jikoro onu na-asu ude, dika nwanyi ime na-eme. O bughi nani ihe e kere eke. Anyi onwe anyi kwa, bu ndi nwetara mkpuru mbu nke Mmuo Nso, na-asukwa ude n'ime mmuo, na-atu anya mgbe a ga-agbaputa ahu anyi.

*Okwu nke Oseburuwa.*

*Ekele diri Chukwu.*

**ALELUYA 1 SAMUEL 3:9**

Aleluya! Aleluya!! Onyenweanyi kwube, nwodibo Gi na-ege nti;  O bu Gi ji okwu ndu ebighi ebi.  Aleluya!!!

## OZIOMA    Mattew  13:1-9

***Isi Okwu:  Onye oru ugbo gara igha mkpuru akuku***

Jesu hapuru ulo ahu gaa n'onu mmiri ebe O noduru ala na-ezi ndi mmadu ihe.  Igwe mmadu di ukwuu biakwutere ya, nke mere ka O baa n'ime ugbo mmiri.  N'ime ya ka O no na-ezi ndi mmadu no n'onu mmiri ahu na-ege ya nti ihe.  O ji ilu gwa ha otutu ihe.  O gwara ha si: "O nwere otu onye oru ubi gara igha mkpuru n'ubi ya.  Mgbe o na-agha mkpuru ndi a, ufodu n'ime ha dara n'akuku uzo ebe umu nnunu biara turu ha loo.  Ma ufodu n'ime ha dara n'ala di nkume nkume. O dighi any ha puputara, too, n'ihi na aja di ebe ahu emighi emi. Ma mgbe anwu mukwasara ha, ha chanwuru, kponwuo, n'ihi na mgborogwu ha emikpughi emikpu n'ime ala.  Mkpuru ufodu danyere n'ala ebe ogwu ogwu di. Mgbe ha toputara, ogwu ahu kpagburu ha. Ma ufodu mkpuru danyere n'ezi ala, miakwa otutu mkpuru.  Ufodu miri iri mkpuru ato, ufodu iri mkpuru isii, ufodu kwa nari mkpuru.  Onye nwere nti ya nuru."

*Ozioma nke Oseburuwa.*

*Otito diri Gi, Kristi.*

**EKPERE NHUNYE**

Onyenweanyi, were afoma lekwasi anya n'onyinye nke nzuko Gi na-ebunye Gi.  Biko mee k'anyi site na-iketa oke n'ime ha na-adiwanye aso.  Site na Kristi Dinwenu anyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**

Onyenweanyi, site n'iketa oke n'ihe omimi nke ahu na obara Kristi nke a, biko mee ka amara nke nzoputa Gi na-ebuwanye n'ime anyi, oge o bula anyi natara ihe ogbugba ndu nke a.  Site na Kristi Onyenweanyi.







**Produced by ICC Choir**